Ọnọdụ Egwu N'izipụta Nkamma N'etimmmọnwụ Oji Ọnụ N'okpuje Asadu

By

Ezesinachi Juliet Ngozika
Dept of Linguistics/ Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
ngozi.ezesinachi@unn.edu.ng / **sinachijully@gmail.com**
08033223859

Ihedigbo Ruth Ebere
Dept of Linguistics/Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
ebereihedigbo@gmail.com
08034722818
&
Okey Agbo Jacinta Ndidi
Dept of Linguistics/Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
jacintaokeyagbo@gmail.com
08061271905

Ụmị

Nchọcha a lebara anya n'ọnọdụ egwu dị ka otu n'ime ụzọ pụrụ iche e si ezipụta nkamma dị n'etim mmọnwụ ojiọnụ Okpuje Asadu. Ebumnuche nchọcha a bụ ka e si na ya wee gosi ụmụafọ Igbo ọrụ egwu na-arụ na ndụ mmadụ. Mmọnwụ ojiọnụ nwere egwu dị iche iche e si na ha ezipụta nkamma, ma were ha na-egosi na ọnọdụ ya dị elu na ndụ ndị Igbo. Egwu ndị a enwetabeghi ọnọdụ kwesiri ya n'edemede nchọcha. Ọ bụ echiche dị etu a kpalitere mmụọ ndị nchọcha a, ka e wee si an ya zipụta mkpa egwu dị n'etim mmọnwụ ojiọnụ. Ọ bụ n'agụmagụ ọdịnala ka e mere nchọcha a ma bụrụ nke na-ezipụta isiokwu banyere nkamma na ọnọdụ egwu nọ na ndụ ndị Igbo nke si n'ihe a hụrụ n'anya, n'ajụjụ ọnụ, ọbaakwụkwọ, na intaneti. Atụtụ e ji wee tucha njiatule nchọcha a bụ atụtụ mbamuru nke na-eleba anya n'uru na n'ọrụ ihe nwere na ndụ mmadụ. A tụchara ụsa dị iche iche e si n'ụzọ ndị a nweta, nke e si na ha chọpụta na egwu nwere ọnọdụ pụrụ iche n'etim mmọnwụ ojiọnụ ma bụrụ omenala e si na ya ezipụta ọnọdụ ndị mmadụ, ọdịnala ha, nkwenye ha na nsirihụ ndụ ha.

Egwu mmọnwụ ojiọnụ nwere nkamma atọ gụnyere nkamma kentị, keanya na keọnụ. Nchọcha a ga-abara ndị Okpuje, ọhanaeze na onye ọbụla nwere mmasị na nkamma, egwu na mmọnwụ ojiọnụ uru.

Okpurukpu Okwu: Egwu, Nkamma, Mmonwu, Nka na emume ngosi

Abstract

This work looks at the position of music as one of the ways by which aesthetic of Ojiọnụ masquerade performance is illustrated. The aim of this study is to remind the Igbo people of the importance of music in human life. The musical aesthetics of Ojiọnụ masquerade performance shows how high esteemed it is held amongst the Igbo. Irrespective of the position of music in the human life, the music of Ojiọnụ masquerade performance has not received meaningful scholarly attention. This study is instigated in order to bring to the prominence the importance of music in Ojiọnụ masquerade performance. The area of study is oral literature, hence it concerns itself on the aesthetic and position of music in the life of Igbo using Ojiọnụ masquerade performance to bring message home. The data used in the study are sourced from personal observation, oral interview, library and internet. Functionalist theory is adopted for analysis of the study because of its ability to analyses and examines the social significance of phenomena, that is, the functions it performs in a particular society. The findings in the study revealed that music occupies a place of honour in Ojiọnụ masquerade performance; it is a tradition that portrays social rank of the people, their culture, belief and philosophy. The music of Ojiọnụ masquerade performance has three main aesthetic values such as ear, eye and mouth. The study will be of great value to Okpuje people, the public and anybody interested in the study of aesthetic, music and Ojiọnụ masquerade.

Keywords: Dance, Aesthetics, Masquerade, Stylistics and Performance.

Mkpọlite Na Ntuleghaṛị Agụmagụ

A bịa n'obodo anyị bụ Naijịrịa, ala Igbo bụ ndị e ji egwu na iti mmọnwụ mara. A bịa n'ala Igbo, e nwere mmwọnwụ dị iche iche dị ka ulaga, Adamma, ikooro, aji buusu, agba mgbada, okonko, ebuebu, ojete, oriọkpa na ndị ọzọ, mana ndị a dị iche na nke anyị na-enyocha n'nchọcha. Mmọnwụ ọbụla nwere egwu ya na ya na-eso. Egwu bụ ọdịnala ndị Igbo na-eme, ha na-eji ngwa egwu dị iche iche dị ka

ekwe, ọja, ọyọrọ, opi, ịchaka, ogene, udu, ịgba na ọtụtụ ngwa egwu ndị ọzọ emepụta ụda ahaziri ahazi na-atọ ụtọ na ntị onye ọbụla nụrụ ya. Egwu so n'otu ọdinala ndị Igbo ji ebi ndụ nke na-abata ọtụtụ oge na n'ogo dị iche iche n'emume ha na-eme malite n'oge a mụrụ mmadụ wee ruo n'oge ọnwụ ya. Ndị Igbo nwere egwu dị iche iche ha ji eziputa etim mmọnwụ ha. N'ụzọ pụrụ iche, egwu nwere ọnọdụ dị elu n'etim mmọnwụ ojiọnụ, nke esi na ha ezipụta nkamma keọnụ, kenti na keanya. Ọ bụ ọnọdụ egwu nọ n'etim mmọnwụ ojiọnụ mere na e nweghị ike iwepu egwu mgbe ọbụla a na-eme emume ojiọnụ. Ọ bụ nke a mere e ji akpọ ya "egwu ojiọnụ" ya bụ na nke ọbụla anaghị aga ghara ibe ya. Mmọnwụ ojiọnụ nwere usoro egwu dị iche iche, e nwere nke naanị ojiọnụ na-ete, nwee nke ndị na-eso ya/ndị egwu ya na-ete, bịa nwekwaa nke ndi egwu ya n-arigo n'elu ibe ha ete. A na-ezipụta ụzọ egwu ojiọnụ ndị a n'ụzọ nkamma atọ nke gụnyere nkamma keọnụ, kenti na keanya. Nkamma keọnụ na-apụta ihe n'ụdị egwu e ji ọnụ agụ ma ọbụ abụ a na-abụ n'etimmmọnwụ ojiọnụ. A na-eziputa nkamma kentị site n'ụda ngwa egwu na-akụ mgbe a na-eti mmọnwụ ojiọnụ. Ebe nkamma keanya ka a na-ezipụta site n'ihe a hụrụ n'anya n'egwu mmọnwụ ojiọnụ na ndị mmadụ na-agba oge a na-eti ịgba ma na-agba egwu ojiọnụ ndị ọzọ, ọkachasị mgbe ndị ụmụ ojiọnụ na-arịkwasị onwe ha n'elu.

N'edemede nchọcha a, a nọ na ya wee zipụta n'egwu nwere ọnọdụ pụrụ iche na ndụ ndị Igbo nke esi na ya ezipụta nkamma ya n'etimmmọnwụ ojiọnụ. Ọ bụ site n'ihe ekwuru n'ọnụ n'ụdị egwu maọbụ abụ, ihe a nụrụ na ntị na ihe a hụrụ n'anya ka e si na ha ezipụta nkamma ahụ pụtara ihe n'egwu mmọnwụ ojiọnụ. Ọ bụ egwu a nụrụ na ntị ojiọnụ kacha wee baa ụba n'ime egwu e ji eti mmọnwụ ojiọnụ ma bụrụ nke esi na ya ezipụta nkamma keọnụ na kentị n'ụzọ pụrụ iche. Ọ bụ egwu a na-eti n'etim mmọnwụ ojiọnụ nyere ya ebube nke mere na mmadụ na mmọnwụ ọzọ hụrụ ojiọnụ na-agba ya nkiri. N'agbanyeghi na ndị Okpuje na ndị Igbo ọzọ na-ahụta mmọnwụ ojiọnụ dị ka nke emume ọdịnala, mmọnwụ ojiọnụ nwere egwu dị iche iche nke metụtara ndụ ndị mmadụ. Egwu mmọnwụ ojiọnụ bụ ezigbo onyinye si na mba Afrịka gbasaa n'ala Igbo wee rute Okpuje Asadu mana onwetabeghi ohere edemede nchọcha kwesiri ya.

Akwụkwọ nchọcha a ga-eme ka e nwee mkpalite nke mmụọ n'ebe ụmụafọ Okpuje na Igbo nọ banyere egwu mmọnwụ ojiọnụ, ma mee ka ugwu na nsọpụrụ a na-akwanyere ojiọnụ n'oge gboo ghara ila n'Okpuje Asadu na n'ala Igbo gbaa gburu

gburu. Ọ bụ nke a mere na ọ dị mkpa na e dere edemede nchọcha a ka ọhanaeze wee matakwaa ya, ma si n'ụzọ dị etu a na-akwalite ọnọdụ ojiọnụ na omenala Igbo. Nchọcha ga-abara ọhaneze uru. Ndị ọ ga-aka bara uru n'ụzọ pụrụ iche bụ ndị Okpuje Asadụ, na ụmụakwụkwọ, n'ihi na ọ ga-abụrụ ha ihe nlere anya ga-eme ka ha nwe mbawanye na mmụta. Ọzọkwa, ọ ga-abara ndị nkuzi na ngalaba na-amụ nkamma, egwu na mmọnwụ ojiọnụ uru, n'ihi na ọ ga-eme ka anya ha mepee n'ihe banyere egwu mmọnwụ ojiọnụ. Ọ bụ n'ụzọ dị etu a ka ha ga-esi gosi mmasị ha na ya ma gaa n'ihu kuziere ya ụmụ akwụkwọ ha. Ndị ọzọ nchọcha a ga-abara uru bụ ndị na-ede edemede nchọcha na nkamma, egwu na mmọnwụ maka na ọ ga-abụrụ ha ebe mgbakwasị ụkwụ na nchọcha nke ha. Nchọcha a ga-emekwa ka onye ọbụla nwere mmasi na nkamma, egwu na mmọnwụ ojiọnụ gaa n'ihu ma were ha kpọrọ ihe.

Ntụleharị Agụmagụ

Atụtụ mbamuru bụ atụtụ na-eleba anya n'uru na n'ọrụ ihe na-arụ na ndụ mmadụ. Atụtụ a kwuru n'ụwa juputara n'ọtụtụ ihe nke a na-ejikọta ọnụ ka ụwa wee kwụrụ chịm. Atụtụ a na-arụtụsị aka ike na tupu akọwaa ihe gbasara ụwa, na-aga ebu ụzọ lebaa anya n'ihe dị n'ụwa tupu eleba ihe ndị dị n'ụwa na-arụ. Ndị wepụtara atụtụ a bụ Radolitte-Brown na Malinwski (1920). Atụtụ mbamuru nyochara ihe dị n'akụkụ ụwa dịka mmọnwụ, egwu na ihe ndị ọzọ ma nyochakwa ihe ndị ahụ na-arụ n'akụkụ ụwa ebe ha nwetara onwe ha. N'echiche nke ndị mbamuru mmọnwụ na egwu bara obodo uru mgbe o nwere ihe ha na-arụrụ obodo ebe e nwere ya. A họọrọ atụtụ a, n'ihi na o zipụtara ebumnuche isiokwu nchọcha a. E were atụtụ a wee tụchaa ihe a hụrụ n'edemede a, banyere egwu mmọnwụ ojiọnụ a ga-ahụ na o wepụtara ehciche di, na nchọcha a.

EGWU

Egwu bụ ihe e jiri mara ndị Igbo. Igbo bụkwa ndị egwu. Ọtụtụ mmadụ ekwuola ma depụta echiche ha banyere egwu, otu onye n'ime ha bụ Ọnụkwube (2019) onye kọwara na egwu bụ ụda ọma a nụrụ na nti ma bụrụkwa okwu ọnụ a gụrụ agụ, gbaa ya agba. Egwu bụ nri mkpụrụobi, ma bụrụkwa ọgwụ apa ime. Ọ bụ ogodo mkpuchi iwe, maka na egwu bata ọgbọ, ọnụma alakpo ụra. Okeke (2009) kọwara egwu dịka ihe a na-ekwe ekwe, a na-ege ege, ihe a na-akụ akụ na ihe a nakwazi agba agba. N'uche Okafor (2018), a ga-ekweriri egwu ekwe kụọ ya akụ nakwazi gbaa ya agba. Aristotle (330BC) kọwara egwu dị ka otu n'ime ọrụnka na-ezipụta

nñomi n'ụzọ dị iche iche. Ọ gara n'ihu kwuo na egwu si na nñomi nke ụda na ụtọ. Makana egwu na-eñomi naanị ụda, ebe abụ na-enọmi asụsụ. Ọ bụ echiche dị etu a ka Ọnwukwe (2009:445) mere ka ọ pụta ihe mgbe o kwuru na egwu bụ nka ihazi ndụ n'ụzọ ọ ga-esi na-atọ ụtọ na ntị. Ọ gara n'ihu kwuo na egwu bụ izipụa ụda, echiche na mmetuta obi iji gosipụta nkamma. Ọ bụ echiche a ka o mere ka ọ pụta ihe oge o si na egwu bụ mmadụ ihazi ụda. Okpewho (2003) kwadoro echiche a oge o kwuru na egwu na ụdị ya dị iche iche bụ alaka ekwumekwu, ọ bụ n'ụzọ dị etu a ka o ji akpalite mmụọ mmadụ ma na-arụ ọrụ dị ka enyo e ji enyo ndụ. Ọ gara n'ihu kwuo na egwu bụ esere ese ndụ gosipụtara onwe ya n'ụzọ abụghị naanị site n'akụkọ, abụ na ejije kama na ọ na-apụta ihe na emume ga dị ka ịgba egwu. Olasunkanmi (2002:53) n'aka nke ya mere ka echiche egwu ọgbụgba pụta ihe oge o sị n'ịgba egwu bụ nka a na-egosi site na mmegharị ahụ. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ mmegharị ahụ ka e si ezipụta egwu ọgbụgba. Ọ gara n'ihu kwuo na ọ bụ egwu ọdịnala ka e si na ya ezipụta ma na-echekwaba ọdịnala na usoro ọchịchị ma na-agba akparamagwa ndị mmadụ nọ n'obodo n'anwụ.

Nkamma

Isiokwu a bụ nkamma bụ amamihe na nghọta mma. Ọ bụ ihe gbasara mma nka na nghọta ihe niile gbasara ihe dị mma. Mma bụ isi sekpu ntị n'ọrụ nka ọ bụla. Ọ bụ ndị nwe ọrụ nka na-ekwupụta nkamma ma ọ bụ uru ọ bara. Egwu ojiọnụ nwere ụzọ atọ pụrụ iche o si ezipụta nkamma. Ụzọ atọ ndị ahụ bụ site n'ihe ekwuru n'ọnụ, ihe a nụrụ na ntị nakwa nke a hụrụ n'anya. Nkamma na-elebanye anya n'ihe mere ndị mma jiri hụrụ ọrụ nka ụfọdụ n'anya, na-ahụghị ụfọdụ, na ka ọrụ nka si emetụta akparamagwa mmadụ na nkwenye ya. Amenuke (1991:67) kọwara nkamma dị ka amụmamụ sayensi nke mma. Na nkwenye nke ya, ọmụmụ nkamma na-emejuta ihe niile gbasara ihe dị mma na ihe bara uru mejutara mma dị n'ọrụ nka na mwube. Mills (1991) onye ọrụ nka, hụtara nkamma dịka ngwọkọta mmetuta, dịka anụrị, iwe, ọnụma, afiụhụ na obi ụtọ. Steven (2002) na nkọwa nke ya, kwuru na nkamma bụ ngalaba hụrụ ọdịdị ihe n'anya karịa ihe/ọrụ ihe ahụ na-arụ. Bathes (2008), onye sayensi asụsụ, kọwara nkamma dị ka ụzọ e si akwalite ma ọ bụ akọwara ndị ọgụụ mkpa ọ dị iji ọrụ nka gosi ka ụwa dị. Na nchịkọta, nkamma bụ ka onye si hụta ihe dị n'ụwa. Ihe nke a pụtara na nhụta dị iche iche. Ka onye si hụta bụ ka onye ahụ si were. N'akwụkwọ nchọcha a, nkamma bụ ijaa egwu ojiọnụ mma site n'ihe anyị nụrụ, ihe anyị hụrụ na ihe anyị kwuru.

Mmọnwụ ojiọnụ

Mmọnwụ ojiọnụ bụ otu n'ime ọmenala na ọdịnala Igbo nke ndị mmadụ ma ọ bụ ndị ọkammụta etinyebeghi uche n'ihe gbasara ya ma ọ bụkwanụ depụta ihe gbasara ya. Mmọnwụ ojiọnụ so n'oke mmọnwụ pụrụ iche n'ala Igbo. Ọtụtụ obodo na-eti ojiọnụ mana nke anyị na-eleba anya na ya bụ ojiọnụ Echara ugwu nke dị n'Okpuje Asadu nke steeti Enugu. Okpuje so na mpaghara obodo gbara ọkpụrụkpụ nke steeti Enugu. Obodo Okpuje so n'obodo a maara dị ka obodo na-agba mbọ n'ihe gbasara ọrụ ugbo na azụmaahịa. N'ihi nke a, ọtụtụ n'ime ha bigasị na mba ọzọ dị iche iche na Naijịrịa.

Ka ọ sị nadị, otu ime obodo n'Okpuje a na-akpọ Echara Ugwu kwekọrịtara tie mmọwụ ojiọnụ n'afọ 1978. Mmọnwụ ojiọnụ a wetara ịdị na otu, udo na mmekọrịta n'etiti ndị obodo Okpuje. Dịka Oliver (2018) siri kọwaa, ndị mbụ tipụtara mmọnwụ ojiọnụ gụnyere ndị a. Late Ekowo Christopher (Christo Ajibo/Awụma), late Ekowo Ikechukwu (Obocus), late Enejene Kenneth (Uroko nwa Ọmada) na otu onye ka adị ndụ ugbu a bụ Maazị Otiti Stephen (Zoro). Ojiọnụ Echara Ugwu Okpuke bụ ọdị gboo gboo ekpoghị ekpo n'Okpuje. Na nkọwa nke Maazị Oliver Otti (otu onye na ndị anyị gbara ajụjụ ọnụ), Egwu ojiọnụ nwere onyeisi nke ọ kpọrọ Stephen Otiti (Zoro). Maazi Oliver gara n'ihu kọwaa na mmọnwụ ojiọnụ bụ ọpụrụ iche n'Okpuje, na ozugbo ogbuu ọja gburu ọja, ojiọnụ, onye ọbụla nụrụ ya ga-amali elu, dị nkwadobe ịga ebe ụda ọja ahụ si abịa. Ọ bụ echiche a ka Chinwe Omeje zipụtara mgbe ọ si na ọ bụ ojiọnụ kacha mmọnwụ ndị Okpuje niile na-eti, ma gaa n'ihu kwuo na ọ bụ ya na-edu mmọnwụ ndị ọzọ ma bụrụ kwa ya bụ ọkaibe n'Okpuje. Ọ sịrị na mmọnwụ ojiọnụ na-egosi ịdị n'otu ndị nọ n'Okpuje.

Dịka Oliver Otti sịrị kọwa, aha ojiọnụ Echara Ugwu bụ Egbe Eluigwe (THUNDER). Ọ kọwara na mmọnwụ ojiọnụ bụ mmọnwụ omenala na mmọnwụ udo. Na nkọwa nke ya, a na-eme abamaba ojiọnụ n'afọ anọ ọbụla. Ọ kọwakwara na nwa okorobịa ọbụla tolitere n'Echara Ugwu chọrọnụ nwere ike ibanye n'egwu ojiọnụ. O kwukwara na ego ha ji echekwa ya na-esite na ego ha nwetara ma ọ bụ ego a bọrọ ha mgbe ha na-agba egwu. Christo Ekowo (otu onye na ndị anyị gbara ajụjụ ọnụ) zipụtara na ojiọnụ bụ mmọnwụ gbasiri ike, maa mma nke ukwuu n'ụdị gbara mmadụ gharịị, maka na ụdị agwọ o bu n'isi na-atụ mmadụ egwu, nke mere e ji etu ya AGWỤ TỤRỤ MBE Ọ TỤRỤ OKPOKORO ISI YA. Ahụ mmọnwụ ojiọnụ gwara agwụgwa nke ukwuu. Nke a pụtara na mmọnwụ ojiọnụ bụ nnukwu ihe

nkiri ma nwe ọtụtụ ihe nkiri n'ahụ ya, nke na ndị mmadụ ga na-ekiri ya malite n'ụtụtụ ruo na abalị ma ike agwụghị ha.

Mmọnwụ ojiọnụ nwere ike dị nkọ ma ọ bụ jụọ oyi site n'etu mmụọ nọ n'awụrụ ojiọnụ ahụ si dị. Ma ka osinadị, Oke nwaligba kọwara na mgbe ọbụla, na mmụọ nọ n'awụrụ ojiọnụ na-adịkarị ọkụ. Mmụọ nọ n'awụrụ ojiọnụ na-emetuta nzọụkwụ ya, n'ihi na mmụọ nwere nke ka ibe ya n'ịgba egwu. O nwere mmụọ ga-adị nkọ ma nzọụkwụ egwu ya na egwu a na-etiri ya anaghi adakọrịta. N'aka nke ọzọ, mmụọ nọ na mmọnwụ ojiọnụ nwere ike ịdị nwayọ nke na egwu a na-etiri ya na-ebu nzọụkwụ egwu ya ụzọ. Ọtụtụ oge, mmụọ nọ na mmọnwụ ojiọnụ na-adị ọkụ nke ukwuu, ọ bụ ọnọdụ a ka ojiọnụ ji ezipụta na ọ bụ mmọnwụ ike n'ala Okpuje site na nzọụkwụ egwu ya na-ejụpụta na nganga, ugwu na ebube mgbe ọ na-agba egwu. E newer oge na ọnọdụ mmọnwụ ojiọnụ ji agba egwu. Ọ na-abụ ụmụ egwu ya gbacha nke ha n'otu n'otu, ojiọnụ a pụta bia gbaa nke ya. Dịka Christo Ekowo (otu onye n'ime ndị anyị gbara ajụjụ ọnụ) siri kwuo, nwa egwu ojiọnụ ọbụla nwere akanka e ji mara ya, nke bụ na onye pụta n'ọgbọ, ọ gbaa akanka nke ya.

Nchịkọta Ntulegharị Agụmagụ

Anyị atụlela ka onye ọ bụla siri nwee mmetụta gbasara nkamma, egwu na mmọnwụ ojiọnụ n'ụdị dị iche iche ma na o nweghi nke ọbụla n'ime ha a ga-eji nọchite anya ọrụ nchọcha a, n'ihi na ọ dighị nke ọ bụla n'ime ha ziputara ihe banyere ọnọdụ egwu n'etim mmọnwụ nke bụ ọrụnka na-ezipụta nkama atọ gụnyere keọnụ, kentị na keanya e si na ha ezipụta ọnọdụ egwu nọ na ndụ ndị Igbo. Ya mere o ji dị mkpa na ndị nchọcha bagidere edemede a, wee na-arịọ ka e nye ya ohere n'etiti edemede nchọcha ndị ọzọ.

Ntụcha Echiche Banyere Ọnọdụ Egwu N'etimmọnwụ Ojiọnụ

Egwu pụtara ọtụtụ ihe n'ala Igbo. Nke mbụ bụ na egwu bụ ọdịnaala ndị Igbo na-eme, ha na-eji ngwa egwu dị iche iche dị ka ekwe, ọja, ịchaka, ọyọ na ndị ọzọ emepụta ụda ahaziri ahazi na-atọ ụtọ na ntị onye ọ bụla nụrụ ya. Nke ọzọ, egwu bụ nhazi ahaziri okwu a na-ekwuputa ma gụọ ya agụ, ya adaa ụda ọma na ntị. Nke atọ, n'ala Igbo, imeghara arụ ma ọ bụ zọọ njem ukwu ma ọ bụ yọghara ukwu n'usoro ọdịda nkwa ka a na-akpọkwa egwu ma ọ bụ ịgba egwu (Chilotam 2012). Ụfọdụ na-agụ egwu mana ha anaghi eji ngwa egwu akụ ya, mana ọtụtụ ndị ọzọ

na-eji ngwa egwu na-akụ ya otu esi agụkwa ya. Egwu dịka otu n'ime ọdịnaala Igbo bụ ihe e si na ya na-ezipụta nkamma atọ nke gụnyere keọnụ, kentị na keanya n'ụzọ pụrụ iche nwere ọnọdụ dị elu n'etimmmọnwụ ojiọjụ. E nwere ụdị egwu dị iche iche nke na e nweghị ike ikewpụ ya iche n'etimmmọnwụ ojiọnụ. Ọ bụ nke a mere na e nyere ohere n'edemede a ka e si na ya zipụta na egwu bụ etimmmọnwụ ojiọnụ, etimmmọnwụ ojiọnụ bụrụ egwu. Chinwe (2021) mere ka a mata na a na-ezipụta ụzọ egwu atọ e ji eti mmọnwụ ojiọnụ nke gụnyere egwu ọgụgụ, ọkụkụ na ọgbụgba. N'ụzọ egwu atọ a na-ewepụta nkamma keọnụ, kenti na keanya. A na-ezipụta nkamma keọnụ site n'egwu e ji ọnụ agụ ma ọ bụ abụ a na-abụ n'etimmmọnwụ ojiọnụ. Nkamma ntị ka e sị n'ụda ngwa egwu ịgba na ọja na-akụ mgbe a na-eti mmọnwụ ojiọnụ ezipụta, ebe nkamma keanya bụ nke a na-ezipụta site n'ihe a hụrụ n'anya n'egwu ọgbụgba mmọnwụ ojiọnụ na ndị mmadụ na-agba mgbe ịgba na ọja ojiọnụ na-ebe.

Egwu dị nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo mere na malite na mgbe a mụrụ mmadụ wee ruo n'oge ọnwụ ya, egwu na-abata n'oge dị iche iche na n'oge dị iche iche n'emume dị iche iche na ndụ ha (Azụbụike 2019). Egwu nwere ọnọdụ dị elu n'etimmmọnwụ ojiọnụ n'ihi na malite na njikere mpụta ojiọnụ wee ruo n'ụla ya jupụtara n'egwu dị iche iche a na-eti n'esepughi aka. Na nkọwa nke Oliver Otti, e nwere egwu e ji agwa ọha na eze na a ga-etiputa mmọnwụ ojiọnụ, e nwere nke e ji akpalite mmụọ ụmụ ojiọnụ, e nwere nke e ji aga n'ụzọ, e nwere nke a na-agba mgbe ha nọọrọ otu ebe nwekwa nke a na-eti mgbe ụmụ ojiọnụ na-arịkwasi onwe ha nke na-eme ha jị a nọkwasị onwe ha n'elu were onwe ha rụọ ihe dịụlọ elu.

N'ịkọwa mkpa egwu dị, Forchu (2009) gosiri echiche ya oge o kwuru na ọ bụghị ihe mgbagwoju-anya na egwu pụtara ihe n'otu ihe na-akpa ndị mmadụ obi ụtọ, n'ihi na ọ bụ omenala na-arụ ọrụ dịka amụma achụmnta akụnaụba n'usoro obibi ndụ ndị Afrịka. Ọ gara n'ihu kwuo na etu ahụ egwu ọdinaala si eme ka usoro obibi ndụ na omenala na-aga n'ihu ka egwu pụtara ihe n'usoro mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'obodo Naijirịa n'oge ugbu a. N'otu aka ahụ Sen (2001) kọwara na "ọ bụghị naanị na egwu na-eme ka ndị mmadụ biri n'udo, kama na ọ na-enye aka n'ịhazi mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'usoro omenala ma gaa n'ihu na-eme ka a ghara inwe ọgba aghara na nkwafu ọbara n'akụkụ mba Afrika na mba ndị ọzọ. Egwu mmọnwụ ojiọnụ na-akpalite mmụọ mmadụ ọ bụla nụrụ ya ma mee ka onye ahụ chefuo nchekasị nke ụwa.

Egwu Ọgụgụ Ojiọnụ

Na mmọnwụ ojiọnụ, e nwere ọtụtụ egwu a na-agụ nke na-akpali mmụọ ndị obodo ma na-ezipụta mmasị na obi ụtọ ha nwere banyere mmọnwụ ojiọnụ. Ọ bụ site n'egwu ọgụgụ ndị a ka e si ewepụta nkamma keọnụ n'ụzọ pụrụ iche n'etim mmọnwụ ojiọnụ. Ọ bụ echiche a ka Egudu na Nwoga (1973) mere ka ọ pụta ihe mgbe ha si na-a na-enwe onye ọkpọabụ na-egosipụta emume ọdịnala dị iche iche nke ọ bụ ya na-eme ka ọ maa mma. Ikeokwu na Onyejekwe (2004:28) kọwara na egwu ọgụgụ nakwa ọgbụgba na-akpọlite mmụọ ndị mmadụ ma na-eme ka ha nwe mkpafụ ime mmụọ na-apụta ihe n'emume nka. Egwu nwere ọnọdụ dị elu n'etimmmọnwụ ojiọnụ, ọ na-eme ka obi ruo mmadụ ala, gbochiere ya mgbakasiahụ, ikeọgwụgwụ, okeahụ ọnwụnwụ na anọghị n'udo. N'ikwado ihe ndị a edepụtara, Chinwe kọwara na mgbe ọbụla etipụtara mmọnwụ ojiọnụ, na ọtụtụ ndị mmadụ, ma okenye ma nwata na-esogide ndị egwu ojiọnụ bido na mgbe ọbụla e ji tiputa ya ruo mgbe ọ lara. Chinwe gara n'ihu kwuo na ndị mmadụ na-esogide egwu ojiọnụ chezuo na-agụụ na-agụ ha. Ụfọdụ egwu ọgụgụ ojiọnụ bụ ndị a:

Chukwu bi n'igwe o o o
Chukwu bi n'ala o o o
Onyiri nkarụ abịa go
Kerikede nwa inyara inyara
Agwụọ tụrụ mbe bụ ojonụ
Egwu nke mbụ
I mee mma anyị ga-ala
I mee njọ anyị ga-ala
I mee mma anyị ga-ala
I mee njọ anyị ga-ala

Egwu nke abụọ
Echara abịajaro Echara abịajeri
Echara abịajaro Echara abiajeri

Egwu Nke atọ
Ka anyị je huma okwute
Gbara eju n'obu
Ka anyi je ahuma okwute

Gbara eju n'obu

Egwu nke anọ
Ezema afụgụ tọrọ
Ezema afụgọ toro
Ikanyị ga-abụ kpo

Egwu ọgụgụ nke mbụ bụ nke ndị mmọnwụ ojiọnụ ji apụta apụta, ebe nke abụọ bụ nke ha ji ala ala. Nke atọ bụ nke ha na-agụ mgbe onwere ndị mmọnwụ ma ọ bụ ndị egwu ọzọ pụtara ebe ha nọ agụ egwu. Ebe egwu nke anọ bụ egwu ha na-eji akọcha mmadụ. Site n'egwu ndị a na egwu ndị ọzọcha, anyị ga-ahụ ọnọdụ egwu n'izipụta nkamma etimmmọnwụ ojiọnụ.

Egwu Ọgbụgba N'etimmmọnwụ Ojiọnụ

Egwu ọgbụgba na-ewepụta nkamma keanya n'ụzọ pụrụ iche n'etimmmọnwụ ojiọnụ. Ọ bụ otu n'ime ihe na-eme ka ndị mmadụ na-esoghari ojiọnụ. Ndị ụmụ ojiọnụ na ojiọnụ n'onwe ya na-agba egwu nke ọma oge ndị na-etiri egwu na-eti egwu. Ndị egwu ojiọnụ nwere nzọ ụkwụ dị iche iche mgbe ha na-agba egwu. Ọ bụghị otu onye a si agba ka ibe ya si agba. Nka ọgbụgba egwu ha dị iche iche. Ikechukwu (otu onye na ndị a gbara ajụjụ ọnụ) kọwara na ụmụ egwu ojiọnụ nwere aha dị iche iche a na-etu ha. Ọ gara n'ihu kọwaa na ọgụụ na-etu onye ọbụla aha mgbe ọ na-agụ egwu. Ọ kọwakwara na mmọnwụ ojiọnụ nwere aha ọ na-aza na mgbe ọbụla ogbu ọja jiri ọja kpọọ ya aha ya ọ malie gbaba egwu. Egwu ojiọnụ na-agba na-atọkarịcha nke ndị ụmụ ya na-agba n'ihi ụdị ekike ojiọnụ. Ekike ojiọnụ na-ama mma nke ukwuu, ọ na-eyi nnukwu agwụ n'ukwu nke na-eme ka ukwu ya buo okpotokpo ibu, ọ bụ nke mere na ọ na-gba egwu agwu ahụ a na-eme yaga yaga yaga nke na-atọ ndị mmadụ ọchị. Ojiọnụ na-agba egwu nke ọma, ọ gbakata egwu, ọnọdụ ala n'ala nkịtị, agwụ ahụ oyi n'ukwu asachie ọbasara ala gburu gburu ebe ọ nọ. Ụmụ egwu ojiọnụ niile na-eke ụdị ekike, ha na-eke agwu n'ukwu ha, n'aka ha na n'isi ya. Akwa nke elu obi ha na-abụ mpempe akwa ọcha.

Ngwa Egwu Ojiọnụ

E ji ọtụtụ ngwa egwu eti egwu ojiọnụ mana ndị kacha dị mkpa gụnyere ọja, ịgba, ọsha, ekwe, ivom na ndị ọzọ. E nwechara ndị bụ ọkaka n'iti ngwa egwu ndị a. Mmadụ dịka ogbu ọja na ọtụ ịgba bụ isi ahụrụ kwaba okpu n'egwu ojiọnụ nke bụ

na a chọọ mmadụ abụọ ndị a achọ, egwu ojiọnụ agaghị enwezi isi. Ogbu ọja ji ọja akpazute aha ndị niile na-agba egwu ojiọnụ. O jikwa ya bụ ọja akpọkụ ndị nkiri ọkachasị ndị ọ maara nke ọma ji ego, nke na-akpali mmụọ ha, ha were na-etu ha ego ka a na-anwụ anwụ.

Egwu Obubu Ojiọnụ

Obubu ndị ojiọnụ na-ebu onwe ha so n'ụzọ pụrụ iche e si ezipụta nkamma n'etim mmọnwụ ojiọnụ. Ọ na-abụ ụmụ mmọnwụ ojiọnụ gbakata egwu, mmadụ abụọ n'ime ha ehulata ala jide onwe ha aka, mmadụ abụọ ndị ọzọ arigoro ha n'elu jide onwe ha aka, otu onye arịgoro n'elu mmadụ abụọ ndị ahụ kpụdọ ihu n'aka ndị nke ọzọ, ebe otu onye pere mpe na-arigoro n'elu elu, nọrọ ebe ahụ na-agba egwu. Ụdị egwu a (obubu) na-amasi ndị mmadụ nke ọma. Onye ahụ na-arigo n'elu ele ka a na-akpọ ọtụtụrụ ọgwụ. Yan a-epekarịcha mpe na ndị egwu ahụ niile. Mgbe ha buliri onwe ha elu, mmọnwụ ojiọnụ ekulie na-agba ha okirikiri ganye mgbe ha ridatachara.

Aha Otutu Ndị Egwu Ojiọnụ

Nwa egwu ojiọnụ ọbụla nwere aha a na-etu ya. Oliver kọwara na nwa egwu ọbụla na-agba egwu n'ụdị nke ya. Ọ gara n'ihu kọwaa na ozugbu nwa egwu ojiọnụ ọbụla kuliri ịgba egwu na ndị ọkụ egwu atụghara egwu ha na-akụ, kụbara onye ahụ nzọụkwụ egwu nke ya. Ụfọdụ aha otutu ha gụnyere

- Agwọ tụrụ mbe - Mmọnwụ ojiọnụ
- Ome ife jide ọfọ
- Ikuku amala n'ọnya
- A na-egbu achara, ọ na-erute
- Ọtụtụrụ ọgwụ
- Ejibiọkụ oturu ụlọ
- Osinka na-arụ nka
- Egbe bere ugo bere
- Mba a na-abara ugo, afụ ugo emechie ọnụ
- Ojiọfọ atọ n'ije
- Ọkwakpọ ọja
- Otigba

Na ndị ọzọ,

Mgbe ọbụla ogbu/ọkwakpọ ọja kpọrọ aha ọbụla na ndị a, onye na-aza ya amali gbaba egwu, ndị na-eti egwu a gbanwe tibere ya ụdị egwu nke ọ na-agba. Ọ bụ ihe ndị a mere ndị mmadụ ji eso mmọnwụ ojiọnụ karịa mmọnwụ ndị ọzọ dị n'obodo.

Mmechi

Akwụkwọ nchọcha lebara anya n'ọnọdụ egwu dịka ọdịnala Igbo pụtara ihe n'etim mmọnwụ ojiọnụ nke na-ezipụta nkamma atọ gụnyere keọnụ, kentị na keanya n'ụzọ pụrụ iche. Ọ bụ ọnọdụ egwu nọ na ndụ Igbo mere n'ọnọdụ ya dị elu n'etim mmọnwụ ojiọnụ. Ọ dị mkpa nke ukwuu na ụmụafọ Igbo na ndị ọchịchị nọ n'ala Igbo nyere aka ichekwaba mmọnwụ ojiọnụ na egwu ya ka ọ ghara ikpochapụ na ndụ ụmụafọ Igbo kama ka ọ na-etolite etolite n'ọdinihu. Ndị nchọcha na-arịọ ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ n'ụzọ pụrụ iche ka ha leba anya n'egwu ojiọnụ n'obodo dị iche iche n'ala Igbo ma gaa n'ihu dee edemede nchọcha banyere ha. N'ihi na nke a ga-eme ka ọtụtụ mmadụ chọpụta nkamma ha ma were ha kpọrọ ihe, dịka otu n'ụzọ a ga-esi eme ka echiche ndị Igbo lọghachi azụ n'ihe banyere egwu, egwu ojiọnụ na ọrụ ọ na-arụ na ndụ ọhanaeze.

Edensibịa

Amenuke, S.E. (1991). *General knowledge in arts for senior schools.* Accra: Ministry of Education, Accra Ghana.

Aristotle, (4th 330BC). *The poetics.* In Butchor, S.H. (ed). *The Project Gutenberg EBook of Poetics.*

Azubike, N.C. (2019). Nkamma: Nziputa Ọnọdụ Egwu N'Etimmmọnwụ Ijele. Department of Igbo, African and Asian Sktudies. Nnamdi Azikiwe Univeristy, Awka.

Bathes, R. (2008). The death of the author. In modern literary theory. Rice P. Wangh P. (Eds) London: Edward Armold.

Chielotam, A.N. (2012). "Music as a viable instrument for cultural education: A study of a song in search of a listening ear", In Obadiegwu C.C. (ed) AMA: *Journal of Theatre and Cultural Studies.* Vol.7 Nkpor: Bryslevand Publishers pp.31-42.

Egudu, R.N. and Nwoga, D.I. (1973). Igbo Traditional Verse. London: Heinemann.

Forchu, I.I. (2009). "Nigerian Popular Music: Its problems, and prospects in development" In Oguejiofor, J.O. and Odimegwu, F.H. (eds.) *Unizik Journal of Arts, and Humanities Awka:* Valid Publishing pp.103-114.

Ikeokwu, E.S. and Onyejekwe, M.C. (2004). Mmalite Ọmụmụ na Nghọta Ejije Igbo Ọdịnaala na Ọlọrọohụụ-Enugu: Cidjap Press.

Malinowski, B. (1920). Functionalism. New York: Anchor Books Print.

Mills, M. (1991). *Rhetoric and politics in African traditional story* telling. Philadelphia: Philadelphia Press Limited.

Okeke, T.J. (2009). "Oral literature and feministry: The Igbo Example". In Oguejiofor, J.O. (ed.) *Unizik Journal of Arts, and Humanities.* Awka: Valid Publishing Company. Pp.172-183.

Okpewho, I. (2003). The epic in Africa. New York: Columbia University Press.

Olasunkanmi, O.J. (2002). "The Secularization of Bata dance in Nigeria". In Okwori, J.Z. (ed.) *Nigerian Theatre Journal.* Lagos: Dat & Partners Logistic. Pp. 53-66.

Onwuekwe, A. (2009). "Literature and music composition: A marriage of convenience in the world of the creative Arts". In Eyisi, Odimegwu, I. and Ezenwa-Ohaefo, N. (eds) *Afrian Literature, and Development in the Twenty-first Century Owerri:* Living Flames Resource pp. 445-455.

Sen, A. (2001). What's the use of music? The role of music industry in Africa. Paper presented at the workshop on development of music industry in Africa, sponsored by the World Bank and the Policy Science Centre Inc. Washington D.C. June 20-21, 2001.

Ndị A Gbara Ajụjụ Ọnụ

	AHA	**JENDA**	**AFỌ**	**ỌRỤ**	**OBODO**	**ỤBỌCHỊ**
1	Chinwero Omeje	Nwoke	49	Ọrụ moto	Echara ugwu	30-12-19
2	Oliver Otti	Nwoke	59	Ọrụ oyibo	Echara ugwu	22-11-19
3	Christo Ekowo	Nwoke	59	Ọrụ nkuzi	Echara ugwu	19-05-20
4	Otti Stephen (zoro)	Nwoke	62	Ọrụ ugbo	Echara ugwu	15-11-21
5	Ikechukwu Asogwa (IkGod)	Nwoke	48	Ọrụ nche	Echara ugwu	22-04-22